I meela mee ọmụmụihe a. eji m aka na ị na-aghọta ihe a na-akụzi. N’ọmụmụihe ọzọ, anyị ga-eleba anya na nzọụkwụ nke atọ, nke anọ na nke ise bụ nke ikpeazụ.

## Ikike ịkọpị ma ọ bụ imezighari ọmụmụihe a


E merpụtara ọmụmụihe a n’aha Researchers on ICTs in Education in Africa (RICTHE Africa) na Commonwealth of Learning (COL). Ọ gbadere ụkwụ n’edemede Annie Lin na ndị ọzọ dere na Wikihow (https://www.wikihow.com/Make-a-Life-Plan). WikiHow bụ ebe ndị mmadụ na-ejikọ aka edepụta usoro e si-eme ihe dị iche iche n’ụzọ kachasị nma n’ụwa dum. I nwere ike imezi ma ọ bụ hazigharịa ọmụmụihe a, kesakwaa ya n’ikike nke Creative Commons (CC) BY-SA 4.0 nyere (https://creativecommons.org/licenses/by-sa/4.0/).

Foto nọ n’ọmụmụihe a si na www.pxhere.com, bụ ebe onye ọbụla nwere ikike iwere foto mee ihe ọ chọrọ iji ya mee dịka Creative Commons (CC) 0 si kwado (https://creativecommons.org/share-your-work/public-domain/cc0/). Dr. Chris Prince Udochukwu Njọkụ rụrụ ọrụ nkả mere ihu akwụkwọ a jiri dị otu ọ dị.



Researchers on ICTs in Education in Africa
University of Nigeria

COMMONWEALTH of LEARNING
Learning for Sustainable Development


# Usoro Mmadụ Ga-Eso Tụọ Atụmatụ Ndụ Ya

### Nkeji Nke Mbụ, Ọmụmụihe Nke Abụọ



## ỌMỤMỤIHE SOCIAL STUDIES


Nke e mere n’ọnwa February, Afọ 2021
N’aha Researchers on ICTs in Education in Africa (RICTHE Africa) na Commonwealth of Learning (COL)

bụrụ ihe ị chọrọ ịbụ na ndụ gị. I ga-enweta ihe ndị ahụ niile? Dịka m kwuru na m zubere na m ga-agụ akwụkwọ ruo nzere nke kasị elu, a ma m na ọ ga-ewe nnukwu ego ime ya. Tutu m gụchaa sekọndịrị, e kpebiri m na m ga-arụ ọrụ inweta ego tutu mụ abanye mahadum, ka ego ghara igbochi m ịbanye mahadum, ya na ka m belata ahụhụ nne na nna m na-ata ịchọta ego ha ji-azụ anyị. E mere m ya òtù ahụ.

Ọ bụrụ na ị chọrọ ịbụ onye na-agba bọlụ ma ọ bụ onye na-agba ọsọ, ị ga-enwe ahụike, gbasie kwa ike. Iri nri ga-enye ahụ gị ihe kwesịrị dị nnukwu mkpà n'inweta ọnọdụ ndịa. N'ezie, n’ezie, iri ezigbo nri, ahụike na mgbasi ike dị mkpà n'ihe ọbụla a na-eme eme.

Ọ bụrụ na ị chọrọ ịbụ ezigbo mọọmii ma ọ bụ daadii, ọ dị mkpà na ihe metụrụ onye ọzọ na-emetụ gị. Ọ bụrụ na ị chọrọ inwe ụlọakwụkwọ ka i na-enye ndị mmadụ mmụta pụrụ ichè, ma ọ bụ ụlọ-ọgwụ na-eleta ndị n’ọrịa anya nke ọma, ị ga-ama na ego dị nnukwu mkpà maka ịrụ ụdị ebe ahụ. Kedụ ụzọ ị ga-esi nweta ego maka ya? Ihe ndịa ka ị ga-ebido na-atụle, na-edetu kwa.

Ị chọọ kwa na ị ga-abụ oji-ego-achọ-ego, ọ dị mkpa na i malitere ichepụta ụdị ihe ị ga na-ere ma ọ bụ ihe ị ga na-emepụta ndị mmadụ ga na-azụ. Idepụta atụmatụ gị maka nke a dị mkpà nihi na ị ga-eji ya achọta ego ị ga-eji bido. Anyị ga-ewepụta ọmụmụihe maka òtù e si-ede atụmatụ ihe ị chọrọ ime maka ịkpata ego.

## Ihe Omume

Gwa ndị ezinụlọ gị na ndị enyi gị ka ha nyere gị aka chọpụta ihe ndị dị mkpà maka ihe ọbụla ị chọrọ ime. Detuo n’akwụkwọ i ji-ede ihe omume ihe unu chọpụtara.

tụlere na ya ga-agụ akwụkwọ ruo na nzere kasị elu, bụ nke o mejupụtara site n’amara Chineke. Chineke si òtù a enyere onye ọbụla na-atụ̀ ezi atụmatụ aka imejupụta atụmatụ ya.

Ya mere, i nwere ike ilegharị anya na gburugbu gị, n’obodo, n’òtù iso na ya, n’ụlọakwụkwọ ị na-aga, chọpụta nsogbu ị ga-enwe nmasị ịbanye n’ọnọdụ ma ọ bụ n’ụdị ọrụ ị ga-anọ gboo ya bụ nsogbu. Igbò nsogbu ahụ ga-abụ ihe kpatara i ji chọọ ịbanye n'ọkwa ma ọ bụ n’ụdị ọrụ ị ga-achọ ịrụ. Ya mere, i nwere ike ilegharị anya na gburugbu gị, n’obodo, n’òtù iso na ya, n’ụlọakwụkwọ ị na-aga, chọpụta nsogbu ị ga-enwe nmasị ịbanye n’ọnọdụ ma ọ bụ n’ụdị ọrụ ị ga-anọ gboo ya bụ nsogbu. Igbò nsogbu ahụ ga-abụ ihe kpatara i ji chọọ ịbanye n'ọkwa ma ọ bụ n’ụdị ọrụ ị ga-achọ ịrụ.

N’iji maa atụ̀, i nwere ike chọọ ịbụ onye nkụzi nihi na ọ ga-eme ka gị na ndị na-eto eto na-emekọrịta ka i nyere ha aka ibi ndụ dị ichè na ndụ mpụ na arụrụala ndị na-eto eto na-ebi n’ụbọchị ndị a.

## Nzọụkwụ Nke Anọ - Detuo ihe ndị kasị mkpà na ndụ gị, ya na ihe kpatara i ji-achọ ime ha.

Idetu ihe niile ị chọrọ ime na ndụ, ihe ị chọrọ ịbụ, ya na ihe kpatara i ji chọọ ha ga-enyere gị aka ihazi onwe gị nke ọma ka ogè na-aga n'ihu.  Ị ga-eji ya gbochie ndị nduhie na ndị na enweghị ebumnuche iduhie gị.

## Nzọụkwụ Nke Ise – Chee maka ịgbasi ike, ego na ihe ndị ọzọ dị mkpà iji mee ihe ị chọrọ ime.

Gịnị na gịnị ka i  ga-eji mee ihe ị chọrọ ime  ma  ọ  bụ



**Isiokwu**:  Usoro Mmadụ Ga-Eso Tụọ Atụmatụ Ndụ Ya

**Sọbụjetị**:  Social Studies

**Maka** ndị dị afọ itolu ruo afọ iri na ise, ma ọ bu ndị nọ na klasị nke ise n’ụlọakwụkwọ praịmarị ruo klasị nke atọ n’ụlọakwụkwọ jiniọ sekọndịrị

*Nkeji Nke Mbụ*:  Ikwupụta ihe ndị dị gị mkpa karịa ihe ndị ọzọ

*Nkeji Nke Abụọ*:  Iwepụta ihe ndị i na-ele anya inweta

*Nkeji Nke Atọ*:  Ide atụmatụ gị

**Mgbe ahaziri ọmụmụihe a**:  Februwarị, Afọ 2021

**Okwu Nkọwa**:

Otu ihe e jiri mara ndụ anyị na-adị bụ na ọ na-agbanwe mgbe niile. Onye ọbụla dị ndụ kwesịrị isi n’ọtụtụ ihe a na-eme eme wepụta ihe ndị dị ya mkpa karịa ndị ọzọ. Ịtụ atụmatụ maka ndụ dị mkpa n’ime nke a. Ọ na-enyere mmadụ aka nke ukwuu ịma nakwa ịgbaso ihe ọ chọrọ ka e ji mara ya na ndụ a. Ọ na-enyekwere mmadụ aka ịnọgharị nke ọma mgbe ọ hụrụ ihe ọzọ ka mkpa, nihi na ka mmadụ na-eto nakwa ka ụwa na-agbanwe, ihe dị mmadụ mkpa karịa ga na-agbanwe.

N’ọmụmụihe nke mbụ na *Nkeji Nke Mbụ*, anyị kwuru nzọụkwụ abụọ ị ga-agbaso n’ikwupụta ihe ndị dị gị mkpa karịa ihe ndị ọzọ. N’ọmụmụihe nke abụọ a, anyị ga-akọwa nzọụkwụ atọ fọrọ.



**Ihe anyị na-ele anya na ị ga-enweta n'ọmụmụihe a**:

I mechaa ọmụmụihe a,

(1) Ị ga-enwe ike kwuo ma ọ bụ dee ihe kpatara i ji choọ ime nke ọbụla nime ihe ndị ị dere n'ọmụmụihe nke mbụ.

(2) Ị ga-ekwukwa ma ọ bụ dee ihe ndị dị mkpa ị ga-eji mejupụta ebumnuche gị.

## Ihe Mpụtaìhè

Nsọtụ ihe ndịa niile ị ga-amụta bụ na ị ga-enwe atụmatụ maka ndụ gị, na-agbaso ihe ndị dị mkpa imejupụta atụmatụ gị ịbụ onye ị chọrọ ịbụ, ma bụrụ onye ahụ ị chọrọ ịbụ. Ọmụmụihe a ga-emekwa ka ị bụrụ onye ma ka e si-ahazi ọtụtụ ihe n'usoro idebe nke kacha mkpa n'ihu ma debe nke ọ ka mkpa n'azụ ya.

**Ihe ndị ị ga-eji mụọ ọmụmụihe a bụ** oge, ụbụrụ gị, akwụkwọ ị ga-eji na-ede ihe omume, mkpịsị odee (pen ma ọ bụ pencil n'asụsụ Bekee)

*Nkeji Nke Mbụ, Ọmụmụihe nke abụọ*

## Ikwupụta ihe ndị dị gị mkpa karịa ihe ndị ọzọ

### Nzọụkwụ nke atọ:

**Tulee ihe kpatara i ji choọ ime nke ọbụla nime ihe ndị ị chọrọ ime n'ọdịnihu**, dịka i dere n'ọmụmụihe nke mbụ.

O nwere ike bụrụ na i nwere nmasị ịbụ 'nne' ma ọ bụ



'nna' nihi na ị chọrọ inwe ndị ga na-akpọ gị "mọọmii" ma ọ bụ "daadii", ndị ị ga-enye ezigbo ọzụzụ. Ị chọrọ ịmụta onye ga-abụ gọvanọ ma ọ bụ sinetọ. Ị chọrọ ịza mama ma ọ bụ papa Fada, mama ma ọ bụ papa Ụkọchukwu, mama "doctor", papa "doctor".

Otù ụzọ dị nma isì chee ihe kpatara i ji choọ ime ihe ị chọrọ ime na ndụ bụ ịtụle ụdị mmemme oliliozu ị chọrọ ka e mee ma ị nwụọ. Kedụ ụdị mmadụ ị chọrọ ka ha bịa na ya bụ mmemme? Kedụ àmà ị chọrọ ka ndị mmadụ gbaa maka gị? Ị ga-achọ ka a sị na i nyeere ọtụtụ mmadụ aka ha nwee ezigbo ọnọdụ site n'òtù i hiwere na-enyere ndị na enweghị enyemaka aka? Ị ga-achọ ka e cheta na ị bụ "mama ọha", "ọ chịrị ọ zụọ", "omepụrụ nwa ogbenye"? Nke a na-egosị na ị chọrọ ịbụ onye ndị Bekee na-akpọ soshal entapịrịnọ, onye na-eme ka ọnọdụ ndụ ndị mmadụ kawanye nma, ndị mmadụ a na-enwe ọṅụ.

Ọ bụrụ na ị chọrọ ka a mara gị dịka a maara Ngọzị Okonjọ-Iweala, nwanyị mbụ bụ Daịrekụtọ Ukwu nke World Trade Organisation, ọ pụtara na ị nwere mmasị ịbụ onye nọ n'ọkwa dị elu n'ọrụ metụtara mba dị ichè ichè n'ụwa. I nwekwara ike choọ ka ị na-emepụta ngwa ahịa dị ichè ichè, dịka Dangote na-eme, ma ọ bụ ka a mara gị dịka onye na-akwa efè ma ọ bụ esi nri ọtụtụ mmadụ ji-eme nganga.

Ọ ga-enye aka ma ị mata na onye tụpụtara atụmatụ e ji-ewetara gị ọmụmụihe a nwere nmasị ime ihe dị òtù a mgbe ọ nọ n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị. Mgbe ahụ ka ọ tụlere na otù ihe kasị mkpà ya ga-eme n'ọdịnihu bụ ihibe ijeozi ga-enyere ndị na anọghị n'ọnọdụ ịgụ akwụkwọ na inwe ọganihu aka ka ha nwee ezigbo nmụta na ọganihu kà ibe ha. Mgbe ahụ kwa ka ọ